# IWEGHARA KATUUN N'ỌNỌDỤ AKỤKỌ IFO N'IKUZIRI ỤMỤAKA IHE: ILEBA ANYA N'AKWỤKWỌ IGBO NDỊ A HỌỌRỌ

**Chioma ChiazomAnagor**
cc.anagor.unizik.edu.ng
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka
Steeti Anambara, Naịjirịa

## Ụmịedemede

Akụkọ ifo bụ akụkọ ndị nna nna anyị ha dobere nke a na-akọkarị n'egwụ ọnwa maọbụ n'uhuruchi mgbe a na-ezuike. A na-eji ya akụziri ụmụntakịrị na ndị ntorobịa ihe. Akụkọ ifo na-enwe agwa, agwa ọ bụla na-enwe aha yiri agwa ọ na-akpa, akụkọ ahụ ga-enwekwazị ihe ụmụaka nụrụ ya ga-akọwanwu ha mụtara. Mana oge ugbu a, mmepe obodo agbanweela ọtụtụ ihe na ndụ ndị Igbo. E nweghịzị ihe dịka egwu ọnwa n'obodo.Ndị mmadụ na-aba n'ụlọ ma chi jie kiriwe onyoonyo. Site na mgbanwe ihe nkiri onyoonyo a ka ndị ọcha jiri webata katuun nke bụkarịrị ihe nkiri ụmụaka. Katuun nwere ndị nwere ezi ihe mmụta mana ọtụtụ n'ime ha abụghị ihe ụmụaka ga-elele. Ha enweghị aha ndị isi ojii na-aza ma sị kwuwe aha Igbo, ha enweghị akụkọ gbasara ndị isi ojii ma ya fọdụ ndị Igbo. Ụfọdụ ihe na-eme na ya bụ ihe gbasara inwe ike mmụọ. Ụfọdụ katuun na-ezipụta ihe ezighị ezi ụmụaka ilele, n'ihi nke a, nwanchọcha nwere mkpali mmụọ ide n'isiokwu a ka agbaa n'anwụ uru akụkọ ifo bara na mpụtara katuun na ndụ ndị Igbo n'ebe ikuziri ụmụaka ezi ihe mmụta dị. A gbasoro usoro nkọwa site n'ịlebara anya n'akụkọ ifo atọ dị n'akwụkwọ agụmagụ *Nza na obu, Mbediọgụ*na *A na-agwa nti*.Katuun atọ ndị a họọrọ bụ "ụmụnwaanyị pawapofụ", "slipin biwuti" na "Vamparina". Atụlechaala wee chọpụta ndịiche dị n'etiti akụkọ ifo na katuun, mmebere nke ọ bụla, uru na ọghọm na ihe mmụta dị na ha. A tụkwara alo gbasara ihe ụmụ afọ Igbo ga-eme wee kwalite akụkọifo. Ọ bụ eziokwu na e nweela ọtụtụ mgbanwe n'obibi ndụ site na mmepe obodo mana nke anyị bụ nke anyị makana ndị Igbo nwere usoro ha si ebi ndụ ha.

## Mmalite

Akụkọ ifo bụ akụkọ ihe emeghị eme nke gbadoro ụkwụ n'ụwa mmadụ, ụwa mmụọ na ụwa ụmụanụmaanụ nke ndị nna nna anyị ha wubere iji na-akụziri ụmụaka ezi ihe. N'oge gboo, eji ọnụ akọpụta akụko ifo ma a na-egwu egwu ọnwa, ma ugbu a, a malitela idepụta ya n'akwụkwọ ka agụmagụ edereede. Akụkọ ifo na-enwe isiokwu, ebe ihe mere nọ mee, agwa na ihe mmụta. Agwa ọ bụla nwere ihe e ji mara ya dịka mgbe ọ bụla a nụrụ mbe, a marala na ọ bụ onye aghụghọ, nke a mekwara oge ọ bụla a kpọrọ mmadụ mbe maọbụ anịm, ọ marala na ọ ghọrọ aghụghọ. O nwere ọtụtụihe akụkọ ifo anaghị ewebata n'ime ya dịka; mmekọ nwoke na nwaanyị, ịgwọ ọgwụ, ịta amoosu, igbu mmadụ na ihe ndị ọzọga karịrị ụmụaka na nghọta.

N'oge ugbu a, e nwere katuun dị n'ụdị ihe nkiri n'onyoonyo. Katuun bụ ihe mmepụta ndị ọcha wepụtara nke nọ ọnọdụ ka akụkọ ifo ndị Igbo. Mmepụta katuun mere na ụfọdụ ndị Igbo anaghịzi etinye uchu n'ihe gbasara akụkọ ifo. Ha anaghị akọrọ ụmụ ha akụkọ ifo niihina ohere adịghịrị ụfọdụ nne na nna, ụfọdụ amaghịkwu ka e si akọ akụkọ ifo niihina ọ dighị nke ha maara, ụfọdụ hụrụ ya ka igbu oge ebe ha nwere ike itinyere ụmụ ha katuun ha elelee.

Ọtụtụ obodo nwere aha dị icheiche ha na-akpọ akụkọ ifo;

- Ngọọkpala dịna steeti Imo na-akpọ ya ife, ufe, ufere
- Ọkija na steeti Anambara na-akpọ ya iho

- Ụzọakọlị na steeti Abịa na-akpọ ya ilu
- Ọhafịa na steeti Abịa na-akpọ ya inu, otii

**Akụkọ ifo**

Akụkọ ifo bụ otu ngalaba n'agụmagụ Igbo. Uzochukwu (2007:1) kwuru na agụmagụ bụ literchọ n'olu Bekeee, ya bụ, edemede maọbụ ekwurekwu e ji asụsụ chọọ mma nke na-enye onye gụrụ ya maọbụ onye nụrụ ya obi aṅụri pụrụ iche. Nze (2010:56-57) kọwara agụmagụ ka echiche mmadụ chepụtara n'obi ya wee dee ya edee maọbụ kwupụta ya n'ọnụ nke na-enye amamihe, mkpalite nke mmụọ, obi utọ maọbụ obi ọjọọ nakwa afọ ojuju. Ikedimma (2008:8) dere na agụmagụ bụ ihe niile e kwuru n'ọnụ ma nke e dere ede n'ụzọ nka na-enye amamihe, aṅụri na mkpalite mmụọ nke a haziri nke ọma. Osuagwu (1982:37) mere ka a mata na agụmagụ bụ akụkọ ifo na akụkọala niile anyi na-akọ n'ala Igbo, ha bụrụgodu ndị a na-akọ n'ọnụ ma ha bụ ndị edereede, a na-agụ ha site n'akwụkwọ.

Agụmagụ dị ụzo abụọ: agụmagụ ọnụ maọbụ agụmagụ ọdịnaala, na agụmagụ edereede maọbụ agụmagụ ugbu a. Agụmagụ ọnụ maọbụ agụmagụ ọdinaala bụ agụmagụ si n'aka fere aka, e ji ọnụ ekwu, akọ maọbụ agụ ya. Ọ bụ agụmagụ di ọkpụ nke malitere oge ndị nna nna anyi ha.

N'aka nke ọzọ, Okafor (2010:92) kọwara agụmagụ edereede ka ihe e dere ede maọbụ e bipụtara ebiputa n'obodo ọbula n'otu oge na ngalaba ọmụmụ, ọ bụkwazi ihe odide ndị ahụ e were ka ihe dị nnukwu mkpa.

Anachebelu n'ajụjụọnụ ndị BBC Igbo gbara ya n'ọnwa Julaị 12, 2019 kọwara na, akụkọifo bụotu n'ime ngalaba agụmagụ ọnụ ndịIgbo. Ọ bụ akụkọ ekereuche gbadoro ụkwụ n'ihe emeghị eme,ma gbadokwa ụkwụ n'agwa mmadụ, agwa anụmaanụ na agwa ndị mmụọ. Ọ bụkwa usoro ndị Igbo si akụziri ụmụ ha, ma na-azụlite ha n'usoro ebim ndụ, omenaala na nkwenye ha. N'otu ajụjụọnụ ahụ, Nnabụihe kwuru na ifo bụ mkpụrụ a na-akụ n'echiche ụmụaka ka ha were ya too, banye ha n'ime mmụọ na n'akparamagwa.

Nwadike (2003:23) kọwara akụkọ ifo ka akụkọ ọdịnaala nke sitere na mgbe gboo. Ọ bụ akụkọ emeghị eme nke a tụkwasara uche n'ala mmadụ, n'ala mmụọ na ala ụmụanụmaanụ kọọ. Ọ dịghị onye maara mgbe ọ malitere ma ndị Igbo jiya akụziri ụmụaka ihe dị icheiche dịka ikwu eziokwu, ịsọpụrụ mmadụ, nsọala, irube isi, ibelata oke ọchịchọ, nganga na ihe ndị ọzọ ọhanaeze na-agbarụrụ ihu.

Akụkọ ifo bụ akụkọ ọdịnaala Igbo emeghị eme nke ndị gboo ji akuziri ụmụ ha ezi obibi ndụ site n'ụdị akparamagwa agwa nọ n'ime ya na-akpa na ọghọm ajọ ndụ na-ebute.

**Njirimara akụkọ ifo**

Akụkọ ifo nwere ụfọdụ ihe e ji mara ya dịka;

- Mmalite: Akụkọ ifo na-enwe ka e si amalite ya dịka;
  Chakpii…wọọọ
  
  O nwere akụkọ m ga-akọrọ unu
  
  Kọọrọ anyị ka obi dị anyị mma.
- Ebe ọ nọ meee: Akụkọ ifo nwere ike ịbụ ihe mere n'ala mmadụ, ala mmụọ maọbụ n'ala ụmụanụmaanụ dịka *Elelịa na ihe o mere* nke Achara, D.N dere.
- Aha agwa: Agwa nọ n'akụkọ na-enwe aha na-ezipụta ka ọmụme ọ na-eme si dị dịka eji aghụghọ mara mbe.
- Mgbe gboo, o nwere oge e ji akọ ya na ebe a na-anọ akọ ya dịka oge ọnwa na-eti na mbara ezi.
- Oge ụfọdụ,a na-enwekwa egwu a na-agụ ma na-ekwe n'ime akụkọ ifo.

- Ihe mmụta: A na-enwe ihe akụkọ ahụ ga-akụziri ndị na-ege ntị.
- Okwu mmechi: A kọchaa ya oge ụfọdụ, ewerekwa okwu e ji malite wee mechie ya dịka; chakpii… wọọọ

**Uru akụkọ ifo baara ndị Igbo**

- Eji akụkọ ifo akụziri ụmụaka ihe gbasara omenaala, nsọala na nkwenye ndị Igbo.
- Eji ya eme ka ụmụaka mara na arụrụala adịghị mma.
- Ọ na-enye aka ka ụmụaka mata na oke ọchịchọ, ọhị na anyaukwu adịghị mma.
- Akụkọ ifo na-enye aka ime ka ụmụaka mata ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya ọkachasị n'ezịnụụlọ.
- Ọ na-akụzịrị ụmụaka ihe dị mma na ihe dị njọ mee ka ha gbaara ajọ ihe ọsọ.
- Eji ya enye ọzụzụ nke ga-enye aka ka nwata too n'ụzọ dị mma.
- Ọ na-akpa obi ọma ma na-enyekwa afọ ojuju.
- Akụkọ ifo na-eme ka ụmụaka nwee mmasị n'ebe agụmagụ dị mgbe ha tolitere. Ọ bụ mmalite agụmagụ ọdịnaala.
- Ọ na-enyekwa aka ime ka ụmụaka nwee ike ịsụ asụsụ Igbo nke ọma.
- Akụkọ ifo na-eme ka aghọta ihe a chọrọ ikuzi n'ụzọ dị mfe, si otu a wepụ ihe mgbagwoju anya nke oke ọmụmaatụ na-ebute.

**Akụkọ ifo ụfọdụ na ihe mmụta dị na ha**

Akụkọ ọbụla nwere ihe mmụta na-eso ya, dịka:

**Akụkọ ifo aghụghọ**

Nke a bụ akụkọ na-agbadọụkwụn'ikuzinaịghọ aghụghọ adịghị mma. Mbe na-abụkarị aha agwa, Agwụna (2004:34)

**Nkata ekpudo onye aghụghọ**

Mbe ka ọrịa na-arịa nne ya, o wee mara na nne ya ga-anwụ ma o nweghịihe ọ ga-ejị kwaa nne ya. O wee gawa njem sịụmụnna ya, na ọ bụrụnaihe na-emebu emebu emee, sị achọkwala ya, ha mee ya ka esi eme ya. Ma, ọ bụrụnaihe adịghị emebu eme mee, sị chọta ya. Nne mbe wee nwụọ, ha amaghị ka ha ga-esi chọje mbe maka gịnị? Makana ọnwụ bụihe na-emebu eme.

Otuokenye maara ihe mbe ghọrọ wee gwa ha sị, ka ha chọje ya. Ha rue, ha sị mbekwu na akwụ chara n'ọdụigu; na onye nọ n'ala dagbụrụ onye nọ n'elu; na atụrụ pụrụ mpị; na nwọke dịime. Ha ruru gwa mbe ihe ha kwekọrịtara, mbe chere ya wee sị na ụdị ihe ndị a emenubeghị, n'ihi ya ka o soro ha laa ụlọ mata ebe mmiri si baa opi ụgbọgụrụ. Etu a ka e si wee kpọlata mbekwuo wee lọta kwaa nne ya, nkata wee kpudoonye aghụghọ.

**Akụkọ ifo nkuzi**

Nke a bụ akụkọifo a na-akọiji kuziere ndị mmadụ ezi omume ma mee ka ha mata na ajọihe adịghị mma.Ọ na-amalitekarị ebe a na-akpaso mmadụ agwa adịghị mma mana emesịa, onye ahụ enwee mmeli, ndị na-esogbu ya enwee mwute n'ihi ajọ agwa ha. Dịka n'akụkọ Chiliki nke nneỊjeanụlị kọọrọụmụ ya ka o wee dụọ ha ọdụ, Agwụna(2004:43-45).

**Chiliki**

Otu nwatakịrị aha ya bụ Chiliki mara mma nke ukwuu nke mere na ndịọgbọ ya na-enwere ya anyaukwu mana ọ maghị. Otuụbọchị, ha wee zube kpebie na ha ga-alafu Chiliki ka o soro ha gaa mmiri mana ha ruo ebe ahụ na ha ga-asụ akwa ha ọsọọsọ ma wụọ ahụ were ọsọ gbalaga hapụ ya ebe ahụ ka otu nwa mmụọ nwere mkpirisi ahụ na-apụtakarị na mmiri ahụ buru ya gbalaa ala mmụọ. Ha kpachara ma mezuo ka ha si kpaa.

Chiliki sooro ha gaa mmiri, mgbe ha ruru, ha sara ahụọsọọsọ etu ha sị gbaa n'izu, yiri akwa ha, buru mmiri ha n'ike ghara ya laa. Chiliki amaghị mgbe ha jiri mee ngwa ngwa hapụ ya.O wee were ọsọ chịkọrọ akwa ya na-agbasọ ha. Ka ọ na-apụta lawa, nwa mmụọ ahụ wee kwụchiere ya ụzọ.Ọ na-agba na-eti mkpu, ha azaghị ya mana ha na-anụkwa okuọ na-akpọ ha. O wee daa ada, nwa mmụọ ahụ wee buru ya gbalaa ala ndị mmụọ.

Ka o ruru ala mmụọ, o wee bụrụnaihe niile dịcha mbembe mbembe. O wetara ji gwa Chiliki ka o sie rie, gwakwa ya ka o rie ezigbo ji dewere ya naanị nkọrịnkọ jina ya anaghị eri ezigbo ji. Chiliki siri ji, rie nkọrịnkọ ji dewere ya ezigbo ji. O mechaa zaara ya mbara, dozichaara ya ụlọ. Oge nwa mmụọ lọtara, ọ tụghịanyaihe ọ hụrụ. O wee metụta ya n'ọbị, o kpebie naọ gaghị eri ya dịka o si eri ndịọzọ n'ịhịna ọ bụ ezigbo mmadụ. Nwa mmụọ kpọrọ nnụnụ ka ọ bịa bulaa Chiliki be ha. O nyere Chiliki onyinye dịicheiche nke ọ jị wee laa. Ka ọ lọtara chịkọpụta ihe onyinye dịicheiche, obi dịnne na nna yaụtọịhụ ya anya. Ụmụ agbọghọ ahụ bịara rịọwa ya mgbaghara. Chiliki were ego dum ahụ rụọla nna ya ọmalicha ụlọ, ha wee ghọọgaranya.

Akụkọ a kuzirina ekworo adịghị mma. Ezigboomume, ịje ozina nrubeisi na-ebuli mmadụ elu.

**Akụkọ mbido**

Nke a bụ akụkọifo na-akọwa ihe kpatara ihe dịicheiche ji eme maọbụ malite ime. Ọmụmaatụ akụkọ Ọgbalụ (1997:5-7)

**Ihe mere ụmụ nwaanyị ejịghị agba afụọnụ**

Nke a bụ akụkọ maka otu nwaanyị aha ya bụ Nkemdịiche onye mere ihe ụmụ nwaanyị ejighị enwe afụọnụugbu a nke mere na agba ha na-amịcha amịcha karịa ahụosisi. Otuụbọchi ụmụ odibo Eze gara ịsa efere na mmiri, ha wee buru efere dum gaa na mmiri ma ha echetaghị wepụọla Eze n'ụlọ. Mgbe ha ruru mmiri, ha nyere otu nwata ọla ahụ ka o jidere ha mana nwata ahụ amaghi mgbe ọla ahụ ji danarị ya daba na mmiri ebe ọ na-egwu egwu. Ndị odibo Eze chọrọ ọla ahụ ma ha ahụghị ya. Ha lara kọọrọ Eze, o wee wute Eze nke ukwuu. Ọ rịọrọ ndị mmadụ ka ha nye aka chọta ọla ahụ.

Otuụbọchị, nwata aha ya bụ Uche na-aga mmiri wee zute nwatakịrị na-ebe akwa, ọ jụrụ ya ihe na-eti ya, nwata ahụ gwa ya na mmiri na-agụ ya, o wee kwọrọ ya gaa mmiri ga chute mmiri nye ya, ọ ṅụọ. Nwata ahụ gwara Uche ka o were ihe o ji akụ azụ cwụnye na mmiri, azụọ bụla o gbutere ya buru ya laaka ọ bọọ ya were ọla ọ ga-ahụ n'ime ya wegara eze. Uche mere ka nwata ahụ gwara ya, gbute azụ, bọọ ya weputa ọla n'afọ ya. Oge ọ na-ala, o zutere Nkemdịiche wee kọọrọ ya ihe mere ma gosi ya ọla ahụ, Nkemdịiche wee pụnarị ya ọlaahụ. Uche gazịrị kọọrọ Eze ka Nkemdịiche si pụnarị ya ọla ahụ.Uche gwara Eze ka a gaa n'ụlọ Nkemdịiche chọọọla ahụ. Mgbe ha ruru, Nkemdịiche weere ọla ahụ zoo n'ime afụọnụ ya niihina o toro ogologo nke ukwuu. Mgbe a chọchara ya ma ha ahụghị ya, Eze wee sị ya na ọ bụrụ na o wepụta ya na ya bụ Eze ga-alụ ya. Nkemdịiche wee si

n'afụọnụ ya wepụta ya. N'ihiomume a, Eze nyere iwu ka a kpụọ ya afụọnụ ya ma kpụkwaa ụmụ nwaanyị niile afụọnụ ha.

**Katuun**

Zafarris (n.d) kọwarana katuun malitere n'afọ 1670 nke e legaara anya na ọ bụiji akwụkwọ siriike wee see ihe osise iji jijie ihe nke gara n'ihu nwogharịa n'iji anụmaanụ wee nṅọmịa ihe n'afọ 1843-1916.

Toonstory(2018)kọwara ya dịka ihe emereeme n'onyoonyo maọbụ nkenke ejịje nke na-akpa amụoge ụfọdụ, ejị agwa esereese mee nke abụghị mmadụ.

**Ụdị katuun dị icheiche**

E nwere ụdị katuun dịicheiche dịka;

1. Editorịa
2. Gagị
3. Ntọọchị
4. Anịmeshọn

**Katuun editorịa**

Aha ọzọ e jị mara ya bụ katuun ndọrọndọrọọchịchi. Ọ bụ nke ejị akọwapụta ihe na-eme na ndọrọndọrọ ọchịchi. Naanịotu agwa ka a na-esekarị ma depụtasịa ihe a chọrọ ka ọhanaeze mata.

**Katuun gagị**

Aha ọzọọ na-aza bụ gag panelụ. Nke a na-abụkarị n'ụdị mkpalịta ụka dị n'etịtị mmadụ abụọ.Oge ụfọdụ, ọ naghị enwe isiokwu.Ọ bụ site n'ihe edere ka ị ga-esị mata ihe merenụ. A na-emekarị nke aiji kpaa ndị mmadụ amụ.

**Katuun ntọọchị**

Nke a bụụdị katuun a na-esekarị n'akwụkwọ mgbasaozi maọbụna ntaneet. Nke a na-adịkwa ka gag kama, ọ na-enwe agwa karịa iji mee ka ihe ọ na-ekwu doo anya. Ejịkwa ya akpa ndị mmadụ amụ.

**Katuun anịmeshọn**

Nke a bụụdị katuun ejị ezipụta ihe na sịnima, ejije onyoonyo maọbụ ebe nkiri ndịọzọ. A na-emepụta nke aiji kuzie ihe, gbasaa ozi, ree ahịa maọbụ wepụta ihe gbasara mmadụ n'onyoonyo. Ihe eji emepụta nke a bụigwe kọmpụta ka ọhanaeze wee hụ ya nke ọma.

E nwere aha katuun dịicheiche ọmụmaatụ;

- Eze ọdụm
- Sịnderila
- Pita paan
- Ụmụnwaanyị pawapofụ
- Aladin
- Shi-Ra na ụmụ ada eze siri ike
- Biwuti na biisti
- Vamparina
- Wịnks klọbụ
- Majik lampụ

- Tọm na Jeri
- Silipin biwuti
- Melifisent
- Sofia
- Sunoo wait, d.g.

Ọmụmaatụ akụkọ sitere n'ụfọdụ katuun;

**Ụmụnwaanyị pawapofụ**

N'obodo Tawunsvilu, otu onye sayensi ọkammụta Ụtọnium na-achịkọba ngwongwo dịka ọtọ bịrịbịrị, ngwa nri,na ihe niile dị mma ọ ga-eji rụta nwata nwaanyị dị ezi mma. Enwe na-enyere aka nalabụ aha ya bụ Jojo, amaghị ụma wee tunye mmiri mmụọ na ngwongwo ọkammụta gwakọrọ ọnu, ihe ahụ wee mee ka a rụta ụmụaka nwaanyị atọ dị ezi mma ma nwe ike pụrụ iche karịa otu ebu n'obi. Aha ụmụaka a bụ Blozom, Bobulsu na Botakop. O woro ndị mmadụanya na ha atọ adịghị ka ụmụaka nwaanyị ndị ọzọ nọ n'ogbe niihina ha nwere ike pụrụ iche ha amaghị ka ha ga-esi jikwata. A malitere na-akpaso ụmụaka nwaanyị atọ a agwa ka osu niihina ha e jirila ikike odogwu ha kpaso ndị obodo Tawunsvilu agwa n'asompi tagị.

Ha gbara mbọ nke ukwuu ịtọghata obi ndị obodo a mere Jojo ji ghọrịa ha n'udị inyere ha aka, site n'ụzọ aghụghọ mee ka ha binyere ya aka n'akwụkwọ n'amaghịna Jojo chọrọ ka o weghara obodo ahụdịka onyeisi. Ha mechara chọpụta aghụghọ Jojo ghọrọ, ha jikọọ aka ọnụwere ikike ha gbaso ha mgba iji hụna ha meriri ndị otu Jojo bụ igwe enwe karịrị n'ọnụọgụ nwere ikike dị njọ. Ha sitere na mmeri ahu wee mata na inwe ikike chọrọ oke na ọrụ.

- Katuun a ziputara nkwenye ndị ọcha n'ikike ndị sayensi ịrụ mmadụ dịka ọkammụta Ụtọnium mana o bụ nkwenye ndị Igbo na Chukwu okike kere ụwa na mmadụ dum n'oyiyi ya, o nyeghị mmadụ ike ikepta mmadụ ọzọ.
- Aha agwa na obodo nọ n'ime akụkọ na asụsụ e ji meputa ya n'onyoonyo bụ asụsụ Bekee.

**Silipin biwuti**

Akụkọ a kọrọ ka Eze Stefan na nwunye ya si kpọọ oriri ịgụ aha nwa ha bu Aurora. Ndị eze, mmadụna ndị nwere ike dị icheiche bịara. Ezigbo enyi Eze bụ Eze Hubert kwuru na ọ bụ ihe dị mma ma ha abụo mee ka enyi dị n'etiti ha abụo na obodo abụo ahụ tọọ atọ nke a mere ha ji kwekọrịta ijikọ ụmụ ha abụọ ọnụ n'alụmdi na nwunye ma ha tolite. Eze Stefan mụtara nwa nwaanyị a kpọrọ Aurora ebe eEze Hubert mụtara nwa nwoke a kpọrọ Filip.E nwekwara ụmụ nwaanyị atọnwere ikike puru iche n'oyiyi ha a kpọrọ,ndị Feris. Ha bụ Flora, Fauna na Merryweather. Flora nyere Ada eze onyinye ịma mma, Fauna nye ya onyinye ịgụ egwu mana tupu Merryweather enye ya onyinye, otu nwaanyi amoosu nọ n'obodo ahụ batara, nkwado ya na-apụ iche niihina ọ na-eyikarị ogologo akwa ojii, okpu ojii nke nwere mpi abụọ na ogologo mkpọ ojii. O nwere ogologo mvọ na nnụnụ ojii na-eso ya. Ka nwaanyị a batara, ọ gbarụrụ ihu niihina Eze akpọghị ya n'oriri ịgụnwa ha aha n'ihi ya, o wee were ajọ ikike ya kwubie na nwata ahụ ga-anwụ ma o ruo afọ iri na isii site n'ihe mmeru ahụ igwe ịnyịnya ga-enye ya, naanị ihe ga-akpọlite ya n'ọnwụ bụ nsusu nwoke hụrụ ya n'anya ga-esusu ya.

Ndị Feris duuru nwa ahụ laa n'obodo ha n'ihi ajọ okwu ahụ iji hu na ọdachi adakwasaghị ya. Otu ụbọchị, Ada eze nọ n'ubi dị n'akụkụ be ndị Feris a na-agụ egwu, Filip diọkpara wee nọrọ ebe ọnọ nu olu ahụ wee chọrọ onye na-agụ egwu ahụ rute. Ha abụọ malitere ịhụ onwe ha n'anya site n'ụbọchị ahụ. Ka o ruru izu Ada eze ga-eme afọ iri

na isii, ndị Feris a kpebiri idula ya n'ụlọ ha. Ka ha ruru obi eze, amoosu Melifisent jiri ụzọ aghụghọ rapụta Ada eze ezi ebe igwe ịnyịnya meruru ya ahụ ma tupu ndị Feris ahụ achọpụta ihe merenu, ọ dịla njọ. Ha gbalịsiri ike were ikike ha tụgharịa ọnwụ ahụ ka ọ bụrụ oke ụra nke o nwere ike isi n'ime ya pụta ma o bụrụ na onye hụrụ ya n'anya esusuo ya ọnụ dịka amoosu ahụ kwuru. Niihina amoosu ahụ amaara ihe ga-emeghasi ihe o mere, o zipuru ụmụanụmaanụ dịka mmụọ na-eso ya ka ha gaa tọrọ Filip niihina ọ hụrụ Ada eze n'anya. NdịFeris a jiri ike nke ha baa n'ụlọ amoosu a, nye Filip ngwa agha ọ ga-eji merie amoosu a. Nwa a, were ube o ji, maa amoosu ahụ n'obi, o wee nwụọ. O ji ịnyịnya ya were ọsọ gbaruo ebe Ada eze dila, gaa susuo ya ọnụ, o wee tie uzere, bilie n'oke ụra ahụ.

- Dịkana katuun ndị ọzọ, aha agwa niile nọ n'ime ya na-aza bụ aha Bekee.
- O zipụtara ikike ndị amoosu site n'agwa Melifisent.
- O zipụtara nsusu ọnụ nke ekwesịghị maka ụmụaka niihina ha ga-amalite iche na site n'isusu onye ha hụrụ n'anya ọnụ, ọ gbanahị ajọ ọdachi.
- Katuun a zipụtara awansi dị icheiche.

**Vamparina**

Vamparina bụ akụkọ mere na katuun nke na-akọ maka otu nwata nwaanyị vampaya aha ya bụ Vamparina Hauntley, onye karịgoro afọ nari abụọ mana ọ ka dịka nwatakịrị. Nne na nna ya si obodo Transylvania gaa Pennsylvania iji mezuo ọchịchọ obi nne ya imepe ụlọ ezumiike ụfọdụ ihe ekere eke dịka amaghị mmadụ amaghi mmụọ, a kpọrọ aha ụlọezumiike ahụ B&B. N'ezie ike gwụrụ nwata a ka ọ ga-esi bi n'etiti ndị mmadụ nke mbụ na ndụ ya niihina ọ maara na ọ bụghị mmadụ nkịtị. Ndị agbataobi ha mechaara bụrụ enyi ya mana ha amaghị na ọ bụghị mmadụ dịka ha nke o ji abụ nwatakịrị n'agbanyeghi na ọ dịka nwatakịrị. Aha ndị enyi ya ahụ bụ; Popply peepleson, Edgar Peepleson na Bridget Poppy.

A kọwara ka nwata nwaanyị vampaya a dị. Ahụ ya na-acha ka mpịọrọ, ntị ya pịrị ọnụ, nkuanya ya toro ogologo dị zigizigi, mbubere anya ya toro ogologo dị mkpụrụ anọ naanị n'isi ngwụcha anya, o nwere otu eze pịrị apị toro ogologo.

- Katuun ana mbụ gosipụtara nkwenye ndị ọcha na vampaya nke bụ ekere eke pụrụ iche; ama mmadụ ama mmụo. Ekere eke a na-enwe eze abụo pịrị apị ha na-eji atapu mmadụ ahụ tụmadị n'akụkụ olu wee mịa ya ọbara niihina ọ bụ ọbara mmadụ ka ha ji adị ndụ. Ahụha na-ajụ oyi pụrụ iche, ha anaghị apụta ezi ma anwụ na-acha maka anwụ na-agbaze ha. Ha na-ebi ndụ karịa narị abụọ ma dịka onye dị afọ iri abụọ. Ha anaghị enwe mmekọ mmadụ nkịtị.

  N'ala Igbo, ọ dịghị ihe dịka vampaya naanị ihe a maara maka ya bụ amoosu nke ahụabụghịkwanụ ihe a na-ezipụta n'akụkọifo.
- Agwa niile nọ n'ime ya zara aha Bekee nke ndị Igbo amaghị mpụtara ha fọdụzia ịmata ma aha ya na agwa ọ kpara eyitere onwe ha dịka onye Igbo ọ bụla maara na Mbe na-ezipụta onye aghụghọ niihina agwa ahụ bụ naanị aghụghọ ka e ji mata ya.
- A kọrọ akụkọa n'asụsụ Bekee.
- Ndịna akụkọ a dịwaga iche n'ụdị akụkọ ịga-ahụta n'akụkọ ifo niihina mba ọbụla na-ede dịka ihe na-eme be ha si dị, dịka nkwenye ha si dị, dịka ihe ha chọrọ ikuzi si gbata kwụrụ nke mere na ndị Igbo anaghịede maọbụ kọọ akụkọ nkịtị, akụkọ ahụ ga-enwerịrị ihe mmụta ọgụụ maọbụ ogenti ga-eji aka.

Dew (2019) deturu ụfọdụ katuun ihe ndịna na esereese ha adabaghị maka ụmụaka n'ihi ihe ha zipụtara na ya dịka na katuun"Shi-Ra na umu ada eze siri ike" ebe a hụrụ otu agwa a kporo Kastra ka o yi akwa nwaanyi sonye umu nwaanyị ndịọzọ gaa mmemme. Na katuun

"Wins kloob", ejiji ụmụaka nwaanyị niile a yi adabaghị adaba n'ụdị ejiji ndị Igbo na-akụziri ụmụ ha.Akwa ha bu peteri ebe ụfọdụghewere n'afo ha ogbe. Na "Fritz onye buusu", a huru otutu ngosi mmekọrịta nwoke na nwaanyi, ọnọdụụmụ anụmaanụ na ụmụnwaanyị gba ọtọ n'ime ebe a na-asa ahụ. Na katuun "Rugrat etoola", a hụrụ ebe Rugrat meghere turawuza ya na-egosi Susie Carmicheal ihe n'ime ya ma nke nwaanyị na-atụnwụrị amụ. N'ihe esereese katuun "Miky mawusu", azụ otu a kpọrọ "Bladid", a hụrụ ka Miki si jide ihe e ji abụ nwoke na-akpụdebe ya n'ụsọọnụ mawusu.

## Uru katuun na-abara ụmụaka

Nair (2018) kwuru na agaghị ewezuga katuun n'ebe ụmụaka nọ. Ụfọdụ ụmụaka enweela agwa dịna katuun nke ha hụrụ n'anya nke ukwuu ma na-enọmị ha. Ụfọdụụmụaka ụmụnwaanyị chọrọịbụ ada eze ka ha na-akwadọ ka ya site n'iyiuwe toroogologo mara mma ma na-amụke ọkụ, tụnye okpu na-egbu amụman'isi. Ebe ụmụnwoke chọrọịdị ka ndị a kpọrọ Naịt ndịna-akwado ka ndị chiri Naịt n'ụlọụka niihina ebe ọbụla e nwere Ada eze na katuun, a na-enwekwazị Ọkpara eze na-akwado ka ndị Naịt nke na-alụ nwa eze nwaanyị ma na-echekwaba ya.

Nair gara n'ihu idepụtasị uru dị na katuun dịka;

- Ọ na-enyere ụmụaka aka ịmụihe ọsọọsọ dịka o metụtara akwụkwọ, ilele ihe esereese naịkpa nkata.
- Ọ na-enyere ha aka inwe uche.
- Katuun na-enye aka ịkwalite ụmụaka ikwuokwuọsọọsọ, ịkpọihe aha otuo si kwesịnaikwuihe mmadụ na-anụ.
- Ọ na-enyekwa aka ime ka ụbụrụ ụmụaka nụkwaa ọkụ n'ebe ijiuche mepụta ihe nka na ụzụ.
- Katuun na-akwalite ịkpa obiọma ma wepụ ahụ mgbakasị.
- Ọ na-enyere ụmụaka aka ịmụta omume dịicheiche, omenaala, akụkọala na akụkọ nkọmịrịkọ.

## Ọghọm katuun n'ebe ụmụaka nọ

Katuun nwere uru ọ bara mana ọghọm dị n'ime ya karịrị akarị nke mere na ọ dịchaghị mma iji ya kuziere ụmụaka ndị Igbo ihe. Asụsụ e ji emepụta ya bụ asụsụ Bekee nke mere na ụmụaka na-elele ya na-ebu ụzọ mụta asụsụ ahụ ọsọọsọ karịa asụsụ Igbo. Ebe akụko ya nọ mee bụ obodo ndị ọcha, agwa nọ n'ime ya na-aza aha ndị ọcha na-akpakwa agwa ndị ọcha. Ụ́fọdụ ihe mmụta dị n'ime ụfọdụ katuun abụghị maka ụmụaka. Ihe niile a na ihe ndị ọzọ gosipụtara na iji katuun akụziri ụmụaka ihe abụghị ihe kwesịchara ekwesị.

E nwere ọtụtụ ọghọm dị na ya nke nwere ike imebiihe ma ọ bụrụ na nne na nna akpachaghị anya.

- Ọna-eziputaịkpa agwa ike dịka a hụrụ n'ụfọdụ katuun dịka, Tọm na Jeri, Rodu rọna, Ọgị na ụchịcha ebe ha na-atakọrịtawa onwe ha isi maọbụ si n'elu ebe dị anya daa n'ala n'enweghị ihe kpatara omume ahụ. Emesịzịa, ụfọdụụmụaka emewe ihe ahụ ha leletara. Ha nwere ike rigoro n'eluoche si na ya darue ala, kulie ma mekwaa ya ọzọ.
- Ọ na-eziputa ajọomume na enweghịobi ebere.
- Ọ na-ezipụta asụsụ rụrụ arụ.
- Ọ na-ezịpụta agwa ọhanaeze na-agbarụrụihu. Dịka ụfọdụ katuun na-egosiihe yiri mmekọ nwoke na nwaanyị, iwe ọkụ, ịgba egbe, ihe ike nke na-eme ka ụfọdụ chee na ọ bụomume kwesịrị ekwesị.
- O nwere ikeiduba n'ajọ ọnọdụ ahụike site n'oge ha na-ewepụta ilekirido anya n'onyoonyo. Ụfọdụ na-ajụ nri, ụfọdụ nwere ike chikwopụọkpụkpụ ebe ha na-eme ihe ha leletara, ha nwekwaziri ike bute anya mgbu.

- Ọ na-eme ụmụaka iṅọmị agwa ọjọọ dịka ụfọdụụmụaka chọrọịdị ka otu agwa na katuun ha. Agwa ahụ nwere ike bụrụ nke kpara agwa adịghịmma mana ụmụaka enweghịọnye na-agbaziiri ha ga-amalite biwe ụdị ndụ ahụ. Ụfọdụụmụaka na-aga n'ihuoge ugbuaịhụ agwa ha chọrọ see n'achịcha Bekee ha ma ha na-eme ncheta ọmụmụ ha.

**Ọghọm katuun n'ebe obibindụ ụmụaka ndị Igbo nọ**

Ọ bụ ezie naakụkọifo ndịIgbo abatabeghị n'ụdị katuun nke mere na ọ dị mfe ilele katuun nke mmepe wetara mana, agaghị echezọna ihe niile gbasara katuun bụihe ndịọcha site n'aha agwa ruo n'ejiji ha. Katuun nwere ndị nwere ihe mmụta dị mma mana e nwere ọghọm o nwere na ndụụmụaka ndị Igbo. Ọghọm ndị ahụ gụnyere;

- Asụsụ Bekee e ji emepụta katuun mere ka ụmụaka Igbo gbara ịhụ uru asụsụIgbo baara ha makana ha na-adị n'obere mụta asụsụ Bekee wee na-aghọta katuun.
- Ha na-amụta ọdịnaala naọmenaala ndịọcha n'oge na ọsọọsọ karịa nke ndịIgbo.
- Ọ na-emekwa etu ha si ahụgara ụwa adịiche niihina ha na-ahụgara ya etu ndịọcha sị ahụ ya.
- Ụmụaka amaghịihe na-aza akụkọifo niihina nne na nna anaghị enwe ohere akọ ya ebe ọ bụ na ọ dịghị n'udiihe nlele.
- Ọ na-agbanwe agwa ụmụaka ka ha na-eme ka ndị ha na-ahụna katuun.

**Ndịiche dị n'akụkọ ifo na katuun**

Ọtụtụ ndịiche dị n'etịtị akụkọifo na katuun. Ndịiche ndị a gụnyere;

| | Akụkọ ifo | Katuun |
|---|---|---|
| 1. | E jiọnụ akọ ya tụpụ edewe ya ede | A na-elele ya n'onyoonyo ma na-edekwa ya ede |
| 2. | Ọ na-ebu aha agwa gbasara ndị Igbo. | Ọ na-ebu aha agwa metụtara naanị ndịọcha nke ụfọdụ amaghị ihe ha pụtara |
| 3. | Ọ na-akụziomenaala ndịIgbo | Ọ na-akụzị omenaala na ọdịnaala ndịọcha nke ụfọdụn'ime ha megidere obibindụ ndịIgbo |
| 4. | Asụsụ e ji akọ ya bụ asụsụIgbo nke na-eme ka asụsụIgbona-eto eto | Asụsụ Bekee ka e ji eziputa ya nke mere na ụmụaka ndịIgboụfọdụ na-ebu ụzọ mụta asụsụBekee ma mee asụsụIgboọ na-anyụ ka ọkụ. |
| 5. | Ọ naghị akọ maka amoosu maọbụihe egwu | Ụfọdụ katuun na-egosịpụta amoosu dịka na Sunoo waịt, Maleficient na Slipin biwuti |
| 6. | Ọ naghị ezipụta maọbụ akọ akụkọ agwa ịtapụ ahụ mmadụ mịa ọbara ya nke a kpọrọ vampaya | O nwere katuun a kọrọ maka vampaya na ya nke a kpọrọ Vamparina. |
| 7. | NdịIgbo anaghị akọ maọbụ ezipụta ihe yiri mmekọrịta nwoke na nwaanyị | O zipụtara ya n'ụfọdụ katuun dịka na Flirtz onye buusu, ihe esereese dị n'azụ Tọm na Jerị emume nke Bladid. |
| 8. | Ọ na-ezipụta agwa ọjọọ n'ụdịo nweghị nwata ga-ahụ agwa ahụ n'anya, dịka nwata ịkpọrọ mbe amarala na ọ dị aghụghọ nke gọsịrị ajọ agwa | O nwere ka esi eme agwa na nwata nwere ike chọọ ka o nwee ụdịike agwa ahụ nwere ka ọ wee karịchaa onye ọ bụla dịka ịsị na ya bụ "di boozu." |

**Nchịkọta**

N'edemede a, a chọpụtara ọtụtụ ihe gbasara akụkọifo na katuun, uru na ọghọm katuun n'ebe ụmụaka ndịIgbo nọ etu o si metụta obibindụ ndịIgbo. A chọpụtakwara naịji akụkọifo kuziere ụmụaka ihe ka mma niihina ọ na-egọsịpụta ihe gbasara ndị Igbọ na asụsụ ha. Nke a abụghị ka akatọọ katuun niile naọ dịghịihe mmụta dị n'ime ya niihina o nwere

ndị nwere ihe dị mma n'ime ha naanị na nke anyị bụ nke anyị. Ndị nna nna anyị ha wubere ya iji kuzie ezi akparamagwa ma nyekwara ụmụaka aka ịmata aha ụmụanụmaanụụfọdụ na-apụta ihe n'ime ya.

**Alo**

Nchọpụta a zipụtara uruịkwalite akụkọifo dị n'iji ya akụziriụmụaka ndịIgbo eziihe mmụta ma kwalite ihe gbasara ndịIgbo site n'asụsụIgbo ruo n'obibindụ ndịIgbo karịa katuun niihina etu esila lee ya anya, katuun bụihe ndịọcha wepụtara nke na-ezipụta obibindụ ha site n'aha agwa, omume na ihe ngọsịpụta sọ ya. Alo a na-atụrụụmụafọ Igbo bụ ndị a;

1. Ka ha nye aka kwalite akụkọifo ka ọ ghara ịnwụ site n'ịgba mbọ na-akọrọụmụ ntakịrị nọ n'ụlọakụkọifooge ọbụla ha nwere ohere niihina ọ bụ n'ọnụ ka ndị nnanna anyị ha si nyefee anyị ya.
2. Ịchọpụta ụzọ a ga-esi zipụtawa akụkọifon'onyoonyo n'ebe ọ dịukwuu dịka katuun ka ọ wee tọọ atọọ ma nye ohere ezinụụlọ ndịIgboọbụla inwe ya.
3. AsụsụIgbo bụotu njirimara ndịIgbo. Ya mere, ka a gaa n'ihuiji asụsụIgbo emepụta akụkọifo n'onyoonyo ma hụkwa na e nyere agwa aha dịka agwa ọ na-akpa si dị etuọ dịbu na mbụ ka ụmụaka wee site etu ahụ mata mpụtara aha ọ bụla.

**Mmechi**

N'ezie, akụkọifo na katuun bụotuihe mana ha nwere ndịiche ha dịka o si gbasa ndị nwe ha. NdịIgbo nwere akụkọifo ha ji akụziriụmụaka ihe, otu ahụka ọ dị ebe katuun dị, naanị na obibindụ, omenaala, ọdịnaala, nsọ, asụsụ na aha agwa dị nnukwu iche. Ndịọbụla na-ezipụta nke ha. N'ihi ndịiche niile a mere o ji dị mkpa na ndịIgbo gara n'ihuịkwalite akụkọifo ka ọkụ a ndị nna nna anyị ha gụnyere anyị n'aka hapụịnyụ n'ọge nke anyị. A ga-eme nke a site n'ịgba mbọ nwee ọtụtụ akụkọifo a ga-ezipụta n'ụdị katuun n'onyoonyo nke a ga-ejikwa asụsụIgbo mee ma wepụtasịa obibindụ ndịIgbo na ihe mmụta n'ime ya.

**Edensibịa**


Achara, D.N. (1989). *Eleļia naihe o mere.* Legoos: Longman Publishers

Agwụna, S.O. (2004). *A na-agwa ntị.*Ọnịcha: Lincel Publishers

Anachebelụ, A. (2019). "Igbo folktales. Kedụuru akụkọifo baara ndị Igbo?" Wetere n'ọnwa Disemba 8, 2020. Site na https://www.bbc.com>Igbo>Afirika

Anisha, N. (2018). "Positive and negative effects of cartoons on child behaviour and development". Wetere n'ọnwa Disemba 8, 2020. Site nahttps://www.parentry.firstcry.com

Dew, M.C. (2019). "8 children's cartoons to avoid that teaches bad habits". Wetere n'ọnwa Eprel 29, 2021. Site na https://www.asiaone.com

Ikedimma, C.E. (2008). *Ụmị agụmagụ ọdinaala na nke edereede*. Ọnịcha: Uchac production.

Nnabụịhe, C. (2019). "Igbo folktales. Kedụuru akụkọifo baara ndị Igbọ?" Wetere na Disemba 8, 2020. Site nahttps://www.bbc.com>Igbo>Afirika

Nwadike, I.U. (2003). *Agụmagụọdịnala Igbo.*Ọnịcha: Africana First Publishers.

Nze, A.I. (2001). *Nchịkọta akwụkwọ maka ule sekọndiri WASSCE 2011-2015.* Nnewi: Missfav Publishers.

Ọgbalụ, F.C. (1997).*Nza naObu*. Lagos: Thomas Nelson Nigeria

Okafor, N.J. (2010). *Mmalite agụmagụ edereede Igbo*. Ọnịcha: Mid-field publishers.

Osuagwu, B.I.N. (1982). *Ikuzi Igbo*. Ibadan: African University press.

Toonstory.I.(2018). "Types of cartoon". Wetere n'ọnwa Disemba 8, 2020. Site nahttps://www.toonstory.In

Uzochukwu, S. (2007).*Akanka na nnyocha agụmagụ Igbo*. Enugwu: Sam Orient publishers.

Zafarris, J. (n.d). "The elymology of cartoon". Wetere n'ọnwa Disemba 8, 2020. Site nahttps://www. uselessetemology.com